# NGỌZI NIILE NKE OZIỌMA

### 2 Ndị Kọrịnt 3:1-18; 4:1-16.

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 395

### Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Unu onwe unu bụ akwụkwọ ozi-ayi, nke edeworo nime obi-ayi, nke madu nile mara nāgu kwa" (2 Ndi Kọrint 3:2).**

**Ọjị́já**

Ọ bụrụ na nna gị agwa gị na obi naatọ ya ụtọ n'ihi na ụmụ madụ matara na gị bụ nwa ya nwa-ya nwoke maọbụ nwa-ya nwanyị, ihi na inwere obiọma náerubekwa isi, na n'ihi na ịbụ OnyeKraist, nke a ọ̀ gaghị eme ka obi tọọ gị ụtọ nke uku? Mgbe ahụ ị gaachọ ịga n'iru nime ịdịmma karịa otú ịdị na mbụ.

Ọ gaabụworị otú a ka obi ndị nọ ná nzukọ ahụ dị na Kọrint si dị mgbe ha natara akwụkwọozi ahụ Onyeozi Pọl degaara ha. Ha bụ ndị sitere n'oziọma ya chègharịa. Ọ lụwo ọlụ táá kwa ahụhụ nwe kwa mkpagbu n'ihi ha. Pọl abụrụwo onye bịaruru ọnwụ nso kwa ụbọchị site n'aka ndịiro nke Oziọma mgbe ọ na agbalịsiike ime ka ha chọta nzọpụta.

Ọ dịghị mkpà Pọl ị nata akwụkwọ nkọwa site n'aka onye ọ bụla igosi na ya onweya bụ otù nime Ndịozi Jisọs na ezi onye nke nzukọ ahụ dị na Kọrint. Edewo ndị a nime obi Pọl (2 Ndị Kọrint 3:2). Mkpà ha niile na nsogbu niile ha ka o bu n'obi ya ehihie na abalị. Ọ dịrị ha ka nna. Ọ hụrụ ha n'anya; Ọ naekpere ha ekpere; Ọ naadọ ha akanántị; mgbe ọ bụla ha nagidere idọakanantị ya ọ naaja ha.

Ezi ndị náejeozi nke Oziọma nke Kraist bụ ihe ngọzi ukwu. Akwụkwọnsọ naagwa anyị sị: "Nēkwenyenu ndị-isi-unu, nēdo-kwa-nu onwe-unu n'okpuru ha: n'ihi na ndi ahu nāmụ anya n'ihi nkpuru-obi unu; dika ndi gaza ajụjụ banyere unu; ka ha we were ọñụ̀ me nka, ghara isu udè" ( Ndi Hibru 13:17).

**Ihe Amatara Náagukwa**

Pọl kwuru sị na Ndị Kraist bụ ihe dị ka akwụkwọ ozi nke Jisọs deworo náejighị ink dika anyị si ede akwụkwọ taa, maọbụ mbadamba nkume dika ndị ahụ ejiri dee Iwu Iri ahụ, ma ejiri Mmụọ Chineke dị ndụ. Mgbe Chineke dere ịhụnanya Ya n'obi anyị, ndị nkuzi anyị, ndị mụrụ anyị na ndị enyi anyị naamata na anyị bụ NdịKraist. Ihe anyị naeme na ihe anyị naekwu, na ebe anyị naeje na ihe náamasị anyị náegosi na azọpụtara anyị. Anyị dịka akwụkwọ emeghereemeghe nke onye ọ bụla naagụkwa.

**Ọlụ Etinyere Pọl N'aka**

Anyị amụwo na azọpụtara Pọl n'ụzọ mgbe ọ naeje Damaskọs (Iheọ̀mụ̀mụ̀ 301), na ọ gara nime Arebia. Agwaghị anyị ihe Pọl mere n'ebe ahụ, ma ọ pụrụ ịbụ na ọ gara n'elu akụkụ Ugwu Saina nke bụ nnọọ nkume, wee nwe mmetụta nke ebube na ịdị ukwu nke Chineke nke bịakwasịrị n'Ugwu ahụ mgbe ahụ enyere Moses Iwu iri ahụ ná arọ dịka puku na narị ise (1500) gasịrị site n'oge enyere Iwu Iri ahụ.

Mgbe Pọl bụ nwaokorontà ka ọ rapụrụ ụlọ ya dị na Tasọs wee jee na Jerusalem ịnọdụ n'ụkwụ Gamaliel, ma eleghị onye a bụ onye nkuzi ukwu kachasị ndị nkuzi niile nke Iwu Moses na oge ahụ. Ma eleghịanya n'oge ikpeazụ nke a nime ọzara nke Arebia, ọ dịka Pọl nọdụrụ ala n'ụkwụ Onyenweanyị Jisọs n'Onweya wee nara ọ̀zụ̀zụ̀ maka ijéozi nke Oziọma. Pọl kwuru sị: "Oziọma m'zisara, na ọ digh ka madụ chepụtara. N'ihi na mu onwem anatagh kwa ya site na madụ, ọ digh kwa onye zirim ya, kama o rurum site na nkpughe nke Jisọs Kraist."

Ihe ọ bụla mnwapụta nke Pọl bụ, mgbe ọ laghachiri na Damaskọs o siteghị n'ike nke aka ya ga n'iru mee kwa ngwangwa ịga na Jerusalem ibido ọlụ ya dịka onye mkwusa nke Oziọma. É-è. Ọ nọdụrụ chere oge nke Chineke na ntụziaka nke Chineke, dịka David mere mgbe o chere arọ asa ka ewe mee ya eze nke Israel.

**Pọl Nime Obodo Kọrint**

Banabas gara Tasọs ị chọta Pọl ka ọ bịa na Antiọk inyeaka ọlụ nke Oziọma n'ebe ahụ. Emesịa, nzukọ Kraist wee zipụ Pọl ga n'Obodo ọzọ ịlụọlụ nke Oziọma. Site na Antiọk o jere njèm Oziọma ugbò atọ náagafe ala akọrọ na osimiri.

Njèm Oziọma nke ugbò abụọ nke Pọl mere ka o rute na Isthmus nke dị na Kọrint bụ ala dị warawara nke jikọtara akụkụ ugwu Grik n'ala nke dị na ndịda mmiri gbara gburugburu. Na ndịda ugwu ahụ nke bụ náánị okwuta nke ịdịelu ya ra ka puku fit abụọ site n'ala ka obodo ahụ nwere àkụ̀ bụ Kọrint nke bụ kwa isi obodo Grik dị n'oge ahụ.

Site na Kọrint ka okporoụzọ ukwu abụọ si rue n'ókéosimiri. Ụgbọmmiri na ndịnáazụahịa sitere n'Ijipt na Siria náabịa n'ọnụ mmiri nke Osimiri Aigian, na kwa ọnụmiri nke osimiri Ionian ka ụgbọmiri naesite na Masidọnia na Itali bịa. Ụmụmmadụ sitere n'akụkụ dị icheiche nke ụwa náabịaru Kọrint, na kwa oge ahụ Pọl nọ n'ebe ahụ ọnụọgụgụ mmadụ bi nime ya bụ ihe ra ka narị puku anọ (400,000) bụ nke ra ka ọnụọgụgụ mmadụ dị na Potland, Oregon, obodo nke isi nzukọ anyị dị.

N'ebe ahụ ka Pọl chọtara ala ọma nye ọlụ nke Oziọma, ma ole otú ọ gaesi nweta ihe eji ebi ndụ? Pọl bụ onye náakpá ákwà, ọ dịghị kwa anya o wee chota Akwila, onye Ju nke sitere n'Itali bịa na Kọrint mgbe náadịghị anya, ya na nwunye ya bụ Prisila, ha onwe ha bụ kwa ndị náakpá ákwà. N'ụlọ ha ka Pọl nọ náalụọlụ náekwusa kwa Jisọs nye ndị chọrọ ịnụ.

Silas na Timọti soro Pọl ga Kọrint wee nọnyere ya rue otù arọ na ọkara mgbe Pọl na ezisa oziọma wee naeme ka ụmụmmadụ mara na Jisọs bụ Kraist ahụ, ma ọtụtụ ndị obodo Kọrint nụrụ ozi ahụ wee kwere ewe zọpụta ha. Ya mere n'ezie ha bụ ụmụ Pọl nime Onyenweanyị, n'ihi na ọ bụ site n'ọlụ Oziọma nke Pọl na ndị na enyere ya aka ka esi mụbata ha nime ézìnaụlọ nke Chineke.

**Ụzọ Ahụ Nke Dị Ebube Karịa**

Ọtụtụ nime ndị Juu ka kweere na tutu azọpụta ha, ha ga eweta nwaatụrụ maọbụ ókéehi maọbụ nduru n'Ụlọukwu Chineke iji ya chụọàjà dịka Iwu Moses si kwue. Igbu anụmanụ n'ebe ịchụ aja nke ọla, iche ọbara anụmanụ ahụ na ihe nsure ọkụ naesi isiụtọ na anọgide n'ebe ịchụ aja nke ọlaedo, na iche ọbara anụmanụ ahụ na ihensureọkụ náesiísìụtọ n'ebe Nsọ Kachasiebensọ niile bụ ihe iji tụziere ndịJuu aka rue Kraist; ma mgbe Jisọs bịara wee ji Onweya chụọàjà ukwu ahụ, ụdị na ememe ahụ niile abaghị kwa urù ọzọ.

Pọl gosịrị ha ụzọ ahụ dị mfé dị kwa umeala nke agaesi zọpụta ha. Ọ sịrị na ọ bụ ụzọ dị ebubu. Inye Iwu ahụ n'elu Ugwu Sainai ka ike na ebube Chineke nọnyere mgbe "Ugwu ahụ nile nakwụ anwụrụ, n'ihi na JEHOVA rịdakwasịrị ya n'ọkụ:… olu opi ike ahụ we nadasi ike nke uku, Moses nēkwu okwu, Chineke were kwa olu nāza ya." Ma ụzọ a di mfé nke okwukwe nime mwụsi ọbara nke Jisọs dị kwa ebube karịa. Ọ naeweta ebube nke Mmụọ nke Kraist dị ndụ nime mkpụrụobi nke ndị Kraist.

**Uche Kpuruisi**

Uche ọtụtụ mmadụ n'etiti Ụmụ Israel ndị hụrụ ebube Chineke n'elu Ugwu Sainai gbara ọchịchịrị. Ha aghọtaghị. Ọ̀ dịwo mgbe imechiri obi gị mgbe Nne gị sịrị gị mee ihe ọ bụla? O wee kọwaa otú ọ chọrọ ka esi mee ya, ma ị chọrọ ime ya n'ụzọ ọzọ, ya mere na ị ghọtaghị. Ọtụtụ mmadụ enweghị obi ekele na okwukwe nime atụ̀mààtụ̀ nzọpụta nke Chineke site n'ọnwụ na mbiliten'ọnwụ nke Jisọs. Ha chọrọ inwe nzọpụta site n'ụzọ nke aka ha, ya mere ha aghọtaghị ụzọ nzọpụta Chineke.

Ma anyị onweanyi ndị nwere ezi ọchịchọ ịmara Chineke ma hụkwa Ya n'anya jékwara Ya ozi, na enwe obi ụtọ mgbe ọ bụla anyị gụrụ ịdọakanántị Ya niile: "Ọ bụrụ na ị gēwere ọnụ-gị kwupụta Jisọs na ọ bụ Onye-nwe ayi, ọ bụrụ kwa na I ewere obi-gị kwere na Chineke mere ka o si na ndị nwụrụanwụ bilie, agazọpụta gị" (Ndi Rom 10:9). Ma ọ bụrụ na anyị aga n'iru n'iña ntị n'olu òkù ụtọ nke Mmụọ Nsọ mgbe ọ bụla Ọ kpọrọ anyị ikpeekpere mgbe ọ bụla Ọ gwara anyị ka anyị kwueokwu Jisọs nye ndị enyi anyị, maọbụ ịkpọta mmadụ bịa ná nzukọ (chọọchị), Ọ ga enye anyị ohere ịga n'ụzọ dị warara dị kwa mkpagide nke Jisọs buru anyị ụzọ gaa. Ọ bụ ụzọ ijéru n'Eluigwe.

**Enyo Chineke**

Mgbe azọpụtara anyị, anyị na ewere akọnauche na iru dị ọcha náelegide anya nime enyo, ka Pọl dere. Anyị na agụta nime Akwụkwọ Jemes na onye dere ya jiri enyo tụnyere Okwu Chineke. "N'ihi na asị na onye ọ bụla bụ onye nānu okwu ahụ, ma ọ bụgh onye nēme ya, onye ahụ yiri nwoke nke nēkiri iru-ya n'enyo, bu iru ọ nwere mgbe amụpụtara ya: n'ihi na o kiriri onwe-ya, ọ pụwokwa, ngwa ngwa ọ we chezọ aha madụ ọ bụ. Ma onye nyochaworo nime iwu zuru okè, bú iwu nke inwe-onwe-ya nke nānogide kwa otú a, ghara ighọ onye nānụ anụ nke nēchezọ, kama ọ bụ onye nēme eme nke nālụ ọlụ, onye a gābụ onye-ngọzi n'omume-ya" (Jemes 1:23-25).

Dika anyị naesite n'obi ekpere naeleba anya nime enyo nke Okwu Chineke kwa ụbọchị, Mmụọ nke Onyenweanyị naenyere anyị aka ime ka ndụ anyị na uche Ya naekwekọrịta, anyị ewe náaga n'iru n'iru n'ụdị nke Jisọs.

**Olileanya nke Pọl**

Mkwusa nke nzọpụta site n'Ọbara Jisọs awụsara amasịghị ndị Juu, otú ahụ kwa ọ masịghị ndị Mbaọzọ ahụ ndị obi ha jupụtara n'ihe ụtọ nke ụwa, n'ihi ya ọtụtụ ugbò Pọl nọ ná nhuju anya na mkpagbu. Ọ bụ ezie na ọ nọ n'ihe egwù nke ọnwụ kwa ụbọchị, ọ naañụrịọnụ n'ihi ndị ahụ kwere ná nzisa oziọma ya bụ ndị nke azọpụtakwara.

Ọ naelepụanya na ọdịn'iru mgbe ndị sitere n'oziọma ya nwe nzọpụta gaesoro ya nwekọ ebube nke ibinyere Onyenweanyị mgbe niile ebighịebi, ihi na O kwuru sị, "Ebe ayi matara na onye ahụ nke mere ka Onye-nwe-ayi Jisọs si n'onwụ bilie, na Ọ geme kwa ka ayi so Jisọs si n'ọnwụ bilie, Ọ gēche kwa ayi na unu n'iru Onwe-ya"

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Gịnị bụ akwụkwọozi nke Pọl ime ka amara ya?
2 N'elu gịnị ka edere ya?
3 Ònye gụrụ ya?
4 Ọ̀ bụ onye ka Chineke sitere n'ijéozi ya malite ikpughe Baịbụl nke Agba Ochie?
5 Ọ̀ bụ ònye ka esitere n'ije osi ya na-ekpughe Baịbụl nke Agba ọhụ taa?
6 Gịnị mere ana-ekwu na Oziọma nke Kraist nke ekpughere na Agba Ọhụ nwere ebube karịa nke Agba Ochie?
7 Onye na enye anyi oghere ịbụ ndị naesoụzọ Kraist Jisọs?
8 Òlee ụzọ esi enwogha anyị ka anyị wee nwee onyinyo Kraist?
9 Gịnị gbara Pọl ume inagide mkpagbu na oke mkpa niile?
10 Òlee ndị Pọl nwere olile anya na ya na ha ga ekekọrịta ókè n'ebube nke Mbiliten'ọnwụ mbụ ahụ?